# Ụfọdụ Egwu Alụmalụ Ọdịnala Igbo: Mbụrụ Ndụmọdụ Nye Ndị na-aba n'ogo Alụmalụ Maka Mmepe Obodo

**Nnebedum, Theodora Ngọzị**
Alex Ekwueme Federal University, Ndufu-Alike,
Ebonyi State.

**Nwizu, Pauline Chinasa**
Alvan Ikoku Federal University of Education
Owerri

**&**

**Ọnụọra, Ngọzị Theresa**
Alex Ekwueme Federal University, Ndufu-Alike,
Ebonyi State.

**Ụmị edemede:**
Na mbụ, ndịigbo na-esite n'egwu alụmalụ enye ndị na-aba n'ogo alụmalụ ndụmọdụ iji chekwaba ezinaụlọ ha. Alụmalụ ebe a bụ nke na-adị n'etiti nwoke na nwaanyi. Alụmalụ na-enwe ebe mgbakwasị ụkwụ. Ọ bụ ebe mgbakwasị ụkwụ ahụ na-eme ka alụmalụ nwee udo na ugwu. Ka ọ dị taa, ọ dịzị ka ọ bụ n'alụmalụ ụfọdụ ka ọgụ Naijiria na Biafra jere were ọnọdụ n'ihi tigbue-zọgbue dị na ha. Otụtụ chere na ọ bụ naanị n'ịhụnaanya ka alụmalụ na-ehibe isi. Ọ bụ nke a mere e jiri bagide nchọcha iji site n'egwu alụmalụ ọdịnala Igbo ụfọdụ chọpụta etu ndịigbo si eji mbụrụ were na-adụ ndị na-aba n'ogo alụmalụ ọdụ iji mee ka ha mata ihe ha na-aba n'ime ya. Usoro nnweta ngwa nchọcha bụ: nlere nsonye na ajujuọnụ. E ji atụtụ echiche mbụrụ nke Charters Black (2004) tụchaa data. A chọpụtara na; anaghị enye ndị mmadụ ndụmọdụ tupu ha abanye n'alụmalụ bụ na-ebute nsogbu. Naanị ịhụnaanya abụghị ihe a chọrọ. A na-etozu etozu abanye n'alụmalụ. A tụkwara aro ka a laghachi azụ n'usoro emume alụmalụ ọdịnala nke ji egwu enye ndụmọdụ dịka ọ dịbụ na mbụ. Nke a ga-eweta ezi mkpụrụ ma mee ka udo, agamniihu na nghọta lọghachitekwa n'ezinụlo niile.
**Ọkpụrụkpụ okwu**: Egwu, Alụmalụ, Mbụrụ, Omenala ndị Igbo.

**Abstract**
Before now, ndịigbo through marital songs pass adivisable messages to intending couples so as to encourage a peaceful home. Marriage here is the type that exists between a man and a woman, not any other type of marriage as the case may be. Marriage has procedures and these procedures help in making marriages a success. As it stands today, what happened in the Nigeria and Biafra war is little compared to what is happening in most marriages today. Most people think that love is the only nutrition that nourishes marriage. These and more are what triggered the aim of this research work. This is hoped to provide possible solutions for shaking marriages through oral marital songs. Charters Black's metaphoric theory of 2004 was used to analyze data gotten via self obsevations and interviews. It was observed that not giving adequate advice to couples before

CC BY-NC-ND

they embark on marital voyages is the major challenge of marital crisis. Love alone is never and will never be the only yardstick to predict a peaceful and successful marriage. Marriage needs phyisical, finacial, emotional, spiritual and mental maturity for one to produce a great home.This reseach therefore suggests that the Igbo go back to their culture of giving marital advice to couple via oral marital songs for a peaceful home and a successful development of the society.
**Keywords:** Marriage, Songs, Metahpor and the Igbo Culture

**Mkpọlite**

Egwu bụ nke na-apụta ihe mgbe e ji ngụpụta, akara ngwa egwu, ụdanausoro na nka were kwupụta nri ntị. Mba ụwa niile nwere ngwa dị iche iche ha ji akụpụta, agụpụta nakwa agbapụta egwu di iche iche ha ji eme mmemme ha site n'ụbọchị a mụrụ mmadụ were ruo ụbọchị onye ahụ laghachiri azụ na be chi ya. N'ihi na alụmalụ so n'otu ihe ndị ahụ mmadụ na-eme na ndụ, nke a mere o jiri dịkwazị oke mkpa ileba anya n'egwu ya ụfọdụ.

Egwu so n'ihe na-enye ndị Igbo ndụ, ha na-agụ egwu mgbe ha na-arụ ọrụ, mgbe ha na-eri oriri dịgasị iche iche, mgbe ha na-eje agha, mgbe ha meriri n'agha, mgbe ha nọ n'ọgbaaghara nakwa mgbe ha nọ n'udo. Ndị Igbo na-agụ udi egwu di iche iche di ka egwu mkpọrọ asị nakwa nke ịhụnaanya. Ha ji egwu eme ngwaọrụ mgbe ha mụrụ nwa na mgbe mmadụ nwụnahụrụ ha. Egwu bụ ndụ ndị Igbo. Ọ bụ mmejupụtara obibi, ọdịdị ma ọ bụkwanụ ihe niile banyere ndụ mmadụ Okafor (2013:152). Egwu metụtara usoro obibi ndụ nke gụnyere, ofufe, ekpemekpe, nnọrị, ọchịchị, akụnaụba, ọdịnala, ọdibendị,omenala, akọmakọ, alụmalụ,ọmụmụ nwa, akwamozu na ọtụtụ ihe ndị ọzọ ga. Mmadụ ọ bụla apụghị ịnọ ndụ ma ewepụ egwu. Nke a mere e ji a sị na egwu bụrụ ndụ, sị kụrụ/gụrụ gawa. Egwu nwere ike ịbịa n'ụdị ọgụgụ, ọkụkụ ma ọ bụ ọgbụgba. Ọnwụkwe (2009:10) kowara na egwu malitere mgbe ndị Igbo bidọrọ ndụ ha. Ọtụtụ egwu ndị a nwere ike ịdị n'ụdị egwu alụmalụ,egwu ọṅụ nwa, egwu okpukpere chi, egwu ọchịchị, echichi, , ma ọ bụ egwu akwamozu. N'ihi nke a, egwu ọ bụla a gụrụ n'alaigbo nwere ebe a gụrụ ya nakwa mbumnuche e jiri gụọ ya. Mgbe a mụrụ nwa ọhụrụ, o nwere egwu a na-agụ, mgbe a na-eme mmemme dị iche iche dịka iri ji ọhụrụ, nhunyerechi, iru ụjụ ma ọ bụ inwe aṅụrị, o nwere egwu a na-agụ. Nke ọ bụla a na-eme na-enwe ozi, ịdọ aka na ntị ma ọ bụ nkuzi ọ na-ebu abịa.

Ụfọdụ ndị mmadụ na-ege egwu n'ihi ụdịrị akọrọngwa e jiri kụọ ya, etu olu onye na-agụ ya si ada ma ọ bụ n'ihi ụdanausoro e jiri gụọ egwu ahụ. Ọtụtụ anaghị echeta ka ha tinye uche n'ozi na nghọta egwu dị etu a jiri bịa nke meziri na ha anaghị eritecha uru dị na ya. A sịkwaarị na ụfọdụ tinyere uche, imirikiti anaghị achịgharị uche n' ozi na echiche egwu ahụ. Nchọcha a na-akpọ oku ka a laghachi n'omenala ndị Igbo iji gee, chịkọta ma chigharịa uche n'ọtụtụ ozi egwu ọdịnala ndị a tụmadụ egwu alụmalụ na-ebu abịa. Ndị Igbo hụrụ omenala ha n'anya, egwu bụkwanụ omenala ndị Igbo. N'ịkwado nke a, Okafor (2013:151**),** gakwara n'ihu kwuo na, ọ bụghị naanị na ndị Igbo na-eji egwu ewepụta nka ma na-anọrịkwa oge kama, ha na-esi n'egwu akụzi ma na-ebufekwa omenala ha site n'otu agbụrụ were fere na nke ọzọ.

N'ime ihe ndị a niile, egwu alụmalụ so n'otu n'ime omenala ndị ahụ na-ebu ozi nkuzi, ozi ndụmaọdụ tinyere ozi ịdọ aka na nti nye ndị n'aba n'ogo alụmalụ di na nwunye abịa. Ihe ndị a niile bụ nke na-apụta ihe n'ụdị mbụrụ iji were kpalie ma ọ bụ kpatuo mmụọ ndị mmadụ tụmadị oge a anyị nọ na ya. Ihe nrite niile ndị a na-esi n'egwu na-enye aka akụzi, agbazi, ahazi ma na achịgharịkwa ọnọdụ mmadụ nọ n'ala Igbo n'otu oge ma ọ bụ nke ọzọ. Site na nchọcha a, a ga-amatakwa mkpa ihe ndị a dị nakwa ọrụ ha na-arụ na ndụ ezigbo onye Igbo ọ bụla. Egwu ndi a na-aga bamie n'ime ezinaụlọ ma wepụta ihe ndị ahụ nwere ike ịkwalite mmụọ nkewa na nghasa site n'aka di na nwunye nakwa ndị gbara ha okirikiri were jiri n'oge were mbụrụ dụọ ha ọdụ ma nyekwa ha usoro ogbugbo nsogbu ndị a.

Nchọcha a bụ iji chịkọta, detuo, hazie ma wepụta nkuzi na ozi ndị ahụ zoro ezo n'egwu alụmalụ ọdịnala Igbo ụfọdụ tụmadị egwu alụmalụ ụmụ

CC BY-NC-ND

agbọghọbịa ndị Nimo dị na steeti Anambra na-agụ mgbe a na-agba nkwụ onye otu ha**.** A họọrọ mbụrụ dịka nka nkuzi si apụta ihe n'ihi etu ndị Igbo si eji ọdịmaara anochite anya ihe ọzọ mgbe ha chọrọ iwepụta myiri dị na ihe abụọ. Ọ bụ n'ihi amụmamụ asụsụ na agụmagụ hibere isi na mpụtara ihe mere Igwebuike (2017) jiri sị na ndị na-eti egwu na-esite na mbụrụ were wepụta njọ na mma metụtara ogbe mmadụ bi na ya. Nchọcha a ga-ejedebe naanị n'iji mbụrụ site n'egwu alụmalụ ọdịnala ndị Igbo were gbaziere ndị na-aba n'ogo alụmalụ ụzọ ka mma ha ga-esi hazie ma chekwaba ezinaụlọ ha ga.

## Nkọwa Ọkpụrụkpụ Okwu Ụfọdụ

**Egwu:** Ọtụtụ ndị ka na-enwe mmgbagwoju anya n'ihe egwu ma ọ bụ abụ pụtara. E nwere ndị na-ahụta ha ka otu ihe mana, ndị ụka hụtara egwu ka ukwe. O kwesịrị ka a mata na ebe abụ bụ ngụpụta dị n'ụdị ekwurekwu ma ọ bụ ederede, egwu bụ iji akarangwa egwu dị iche iche were zipụta ndanausoro. Ọnwụkwe (2005; 2006 na 2009) hụtara egwu ka ihe ndị ahụ e ji akọwapụta ndụ mmadụ. Egwu nọchitere anya ihe niile mmadụ na-eme na ndụ ya. Obi (2016:99) n'ụzọ nke ya hụtara egwu ka agụmagụ, ma kọwaa na agụmagụ bụ ụzọ nzipụta obibi ndụ ndi mmadụ. Ezebuilo (2018), n'ụzọ nke ya hụtara egwu dịka ụzọ e si ewepụta ndụ, nkwenye na usoro obibi ndụ agbụrụ ọ bụla. O kwuru na egwu tụmadị egwu amala bụ njije na nǹomi ihe. N'ihi nke a, ezigbo egwu kwesịrị ijije omenala, ọdịnala na ọdịbendị ndị nwe ya kpọrọ ihe. Ndị ọ bụla tụmadị ndị Igbo na-esite n'egwu ha na-agụ, akụ nakwa agba, ebe dị iche iche ezipụta ihe ndị ha kwenyere na ya nakwa ihe ndị ha na-asọ.

Ferris (1995:338), kwuru na e nwere mmembere egwu dị iche iche na mba ụwa dị iche iche tụmadị ebe o metụrara mba Afịrịka. E nwere egwu ọgụgụ, egwu ọkụkụ na egwu ọgbụgba. Nke ọ bụla ọ bụ, e nwere ozi o na-ebu abịa nke nwere ike ịkpọli ma ọ bụ kpọtue mmụọ onye ọ bịakwutere. Nke ọ bụla nwere ihe e ji eme ya nakwa ihe ọ na-arụ. Mana, a bịa n'ebe o metụtara egwu ọkụkụ, otụtụ akọrọngwa ka e ji eme nke a. Ụfọdụ n'ime ha bụ egwu ndị a na-eji ezipụta ozi. Ọtụtụ ngwa egwu ha gụnyere;

1. ọja
2. udu
3. ekwe
4. ogene
5. ụyọ
6. ụbọ
7. ịgba
8. ikoro
9. ekpete
10. ịchaka
11. abọ
12. ọyọ
13. ọshọ
14. ekpiri,
15. ọkpọkọrọ,
16. Opi
17. Ngedele egwu
18. ụbọ.

## Ụdịdị Egwu Dịgasị Iche Iche

1. egwu ekpiri
2. egwu abia
3. egwu ọṅụ nwa ọhụrụ
4. egwu egedege,
5. mkpọkịti
6. uhie,
7. egwu agha
8. egwu etinyere ọgwụ
9. egwu akwamozu
10. egwu ugori
11. mbem
12. egwu amara
13. egwu alụmalụ w.d.g

## Alụmalụ

Alụmalụ bụ nkwekọrita nwoke na otu nwaanyi (nwaanyị abụọ ma ọ bụ karia) tozuru etozu ibikọ ọnụ dịka di na nwunye n'usoro omenala Igbo kwadoro. N'ịkwado nke a, Ụgbọr (2022:102), kọwara na alụm di na nwunye bụ ijikọ nwoke na nwaanyị ka ha bụrụ otu ezinaụlọ. Mgbe ha hụtara onwe ha ka otu ezinaụlọ n'ezie, ọ na-ebelata nsogbu ndị ọzọ na-esi n'ezinaụlọ etopụta. Ka ọ dị taa, ọtụtụ nsogbu nke gụnyere enweghị ezi nchekwaba, ngana, ajọ ọnọdụ akụnaụba tinyere ajọ ndị ochịchị, ụkọ ego, nleda anya site n'akụkụ ndị ọgọ, ngala, amụghị nwa, ịgbụ nnanị ụmu nwoke ma ọ bu umụ nawaanyị, enweghị ntụkwasị obi nke na-ebute tigbuo-zọgbuo jupụtara ọtụtụ ezinaụlọ mejupụtara obodo niile. A bịa n'ime nsogbu ndị a, nke kachasị agbawa obi bụ nke di igbu nwunye ma ọ bụ nwunye iji mma sugbuo di

CC BY-NC-ND

ya.Alụmalụ abụghịkwa ihe a kpọrọ ya ka ọ na-aza. Oke mmepe anya na oke ụwa ududo soshaa midia emeela ka alụmalụ ghara ihe a kpọrọ ya ma zawa ihe ọzọ. Nke a mere o jiri dị mkpa ịlaghachi azụ n'omenala anyị ebe e ji egwu alụmalụ akụziri ndị na-aba n'ogo alụmalụ ihe ụtọ nakwa ihe ilu nwere ike isi n'alụmalụ apụta. Site n'ụzọ dị etu a, a ga-akwanyekwa ha ngwa ọrụ ndị ahụ ga-enyere ha aka iji gbochie ajọ ọnọdụ dịgasị iche iche, n'ihi na mmadụ abụọ lụrụ dị na nwunye abụrụla otu.

A bịa n'ụlọakwụkwọ dịgasị iche iche tụmadị ụlọakwụkwọ dị elu, a na-ahụ ebe ụmụakwụkwọ abụọ nwere ike biri n'otu ọnụ ụlọ n'ụdị dị na nwunye. Ndị dị etu a aghọtaghị ihe alụmalụ bụ n'ihi na ha emeghị omenala alụmalụ nke ha ji aghọta ogo ha na-aba n'ime ya. Site n'uzo di etu a, a na-enweta ọtụtu ihe ọghọm n'ụzọ mbikọta ezighị ezi ha. Mgbe ụfọdụ, ihe ọdachi dị iche iche na-esi n'ebe di etu a apụta. Nwa agbaọghọ nọ n'ọnọdụ dị etu a nwere ike tụta ime mkpuke nke ga-eme ka ọ mụọ ma ree nwa ahụ ma ọ bụ ọ choba etu ọ ga-esi wepụ ime ahụ. Nke a na-ebute ihe ọdachị dịka oke nrịanrịa ma ọ bụ ọnwụ mberede. Mgbe nke a mere, e nwere ike manye nke nwoke ka ọ lụọ nwata nwaanyị ahụ n'ozu. Iji gbochie ụdị ajọ onodụ a ka Ụgbọr (2022:102) jiri kwuo etu a ga-esi site na ikụzi usoro alụmalụ ọdịnala Igbo n'ụlọakwụkwọ mahadum were gbochie alụmalụ di na nwunye n'ozu tụmadị n'etiti ndị ntorobịa, idi ime mkpuke, nwagbọghọ ịnwụ ebe ọ gara ite ime, nwa okorobịa na nwaagbọghọbịa ibi n'ụlo n'ụzọ ezighị ezi, ịnwụ site n'ihe mberede na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Nke a mere o jiri tụọ arọ ka nkuzị ndị a malite n'ogo mahadum maka mgbochi ya.

Nchọpụta uru na ọghọm ndị a nwere ike isi n'alụmalụ apụta mere ndị Igbo jiri nwee usoro alụmalụ nke gụnyere ndị a ọdịnala obodo na omenala Igbo kwadoro. Ha gụnyere:

1. ijụ ajụjụ/nkwụ,
2. ịkụ aka/mmanye mbụ
3.iweta mmanya abụọ,
4. ịhụ ọnụisi nwaanyị,
5. ime ego mbubu ọnụ okwu,
6. ime ego isi nwaanyị,
7. nselata ite,
8. igbu ewu nna,
9. idu ndu oku na
10. igba nkwu nwanyị na
11. ọgọ bịa mara be m.

Ajụjụ ọnu a gbara, Nwankwọ (2023) kọwara na mmemme niile ndị a nwegasịrị egwu na-esochi ha. O kwuru na ọ bụ naanị mgbe mmadụ gbasoro usoro ndị a ka ndị Igbo na-asị na onye ahụ abaala n'ọnọdụ alụmalụ, ọ bụru na e meghị etu a, onye ahụ alụbeghị di ma ọ bụ lụo nwaanyị. Na nkọwa ya, ahụrụ m gị n'anya abụghi ya bụ alụmalụ n'ihi na alụmalụ miri emi karịa nke a. Ndị ntorobịa taa na-aga kpọrọ nwaanyị ma ọ bụ nwoke, ha ebiri ka di na nwunye. Ụfọdụ na-eme ihe isi nwaanyị n'ụzọ omenala akwadoghị. Ọnọdụ ndị a na-ebute nsogbu n'ezinaụlọ. Ọtụtụ nsogbu na-adapụta n'etiti di na nwunye taa bụ n'ihi ịhapụ omenala ma mewe omeneelu.

Nwankwọ na nkọwa sitere n'ajụjụ ọnụ a gbara ya kwenyesiri ike na alụmalụ ọ bụla agbasoghi usoro omenala ndị Igbo ndị a abụghị alụmalụ. Nke a gosipụtazịrị na alụmalụ ga-agbasorịrị usoro omenala ndị Igbo tupu a kpọọ ya alụmalụ n'ala Igbo. Lee eseres ndị a:



ESERESE NKE 1 : ỌCHỌCHA NA ỤFỌDỤ NDỊ A GBARA AJỤJỤỌNỤ

**Mbụrụ**

Mbụrụ bụ otu n'ime atụmatụ okwu e nwere n'amụmamụ agụmagụ Igbo. Mbụrụ na myiri na eyite n'ihi na etu ha si arụ ọrụ yitere onwe ha mana ha abụghị otu ihe. Mgbe myiri na-asị na ihe yiri ihe ọzọ, mbụrụ na-asị na ihe bụ ihe ọzọ. Mkpụrụokwu mbụrụ ji arụ ọrụ bụ 'bụ' ebe myiri ji mkpụrụ okwu dịka 'ka, dịka ma ọ bụ yiri' arụ ọrụ, (Ọfọmata 2013:164). Ka o sila dị, ha abụọ na-eji otu ihe atụnyere ihe ọzọ mgbe e ji ha arụ ọrụ n'ụdị atụmatụ okwu n'asụsụ ma ọ bụ agụmagụ Igbo. Na nchọcha a nakwa n'ogo mbụrụ rurula n' amụmamụ sayensị nke lingwistiiki, mbụrụ akarịala ịsị na ọ bụ naanị 'bụ' ka a ga-eji na-amata ya. Mgbe a nọ n'ogo nhazi okwu, mbụrụ nwere ike ịpụta ihe n'ụdị ndị n'elu ma ọ bụ ndị n'etiti. Ya bụ mgbe ọ bụla a kọwara okwu n'ụzọ mkpuke, a na-ahụta nkọwa ahụ ka mbụrụ.

**Omenala Igbo**

Omenala Igbo bụ usoro obibi ndụ ndi Igbo. Nke a gụnyere asụsụ, nri, ekike, nkwenye, okpukperechi, egwu, akaorụ, alụmalụ w.g.z. Omenala na-eto eto, ahụ uzọ, ekwu okwu ma na-agakwa ije. Etu ndị Igbo si ebi ndụ ha, alụ nwaanyị,aịmụta nwa, azụlite nwa, eme ihe a tụrụ anya n'aka onye tolitere etolite, echi echichi, ebi obi ezinaụlọ na mmetụta mmadụ na ibe ha ka a na-ahụtacha n'omenala ha site n'alụmalụ. Ọ bụrụgodụ mgbe ndị Igbo na-ekwu okwu, a na-esite n'okwu ha na-ekwu

CC BY-NC-ND

ahụta omenala ha n'ụdị nka. Ihe dịka ilu, asịniilu na ụkabụilu na imerime ndị ọzọ jupụtara na nkwenye nke na-apụta ihe site n'omenala. Okebalama,(2003), Nwadike, (2003) na Ọgbalụ (1981).



LEE ESERESE 3: ONYE A NA-AGBA NKWỤ YA N'ỤDỊ OMENALA

**Nchọcha Ndị E merela**

Ka ọ dị taa, ọtụtụ nchọcha ka e merela n'ebe o metụtara egwu ọdịnala Igbo. E meela nchọcha na nghọta egwu ndị ntorobịa na-enwe mmasị na ya, e meela n'ebe o metụtara mbụrụ egwu ekpili, e meela na nka, mee na ebe o metụtara ọchịchị, okpukperechi, mee na nke abụ ọṅụ nwa na abụ akwamozu, mana o nwebeghị nchọcha doro anya e merela maka mbụrụ na-esite n'egwu alụmalu ọdịnala Igbo maka iji gbochie esemokwu ezinaụlọ.

Ọbasi (2013) nyochara abụ/egwu agha ndi Ohafia. Mbunuche nchọcha ya bụ ichọpụta nka mma na ọdịmara dị n'ejije abụ/egwu. Ka o mechara nchọcha ya, ọ chọpụtara na abụ agha ndị Ọhafịa nwere ọtụtụ ihe dị n'ime ya nke ndị na-esoghị n'otu ha enweghị ike ịmata. Ọ chọpụtakwara na abụ a jupụtara na nka mma, ọdịmara na ekekeuche. Nzọmụkwụ nchọcha abụọ yiri onwe ha n'ihi na ha abụọ gbasara agụmagụ ọnụ abụ/egwu mana, ndịmiche ha pụtara ihe n'ihi na Ọbasị (2013) lebara anya n'abụ/egwu agha ndị Ọhafịa ebe nchọcha a lebara anya n'egwu alụmalụ ọkachasị nke ndị obodo Nimo dị n'Anambara.

Sharndama na Suleiman (2013) lebara anya n'atụmatụ okwu abụ/egwu akwamozu nke Kilba na seeti Adamawa. Ha lebara anya n'ajụjụ nzaraonwe dị n'abụ/egwu akwamozu abụọ nke ndi Kilba na steeti Adamawa . Ka ha mechara ntụcha ha, ha chọpụtara na ndị ọgụụ abụ/egwu akwamozu na Kilba na-eji ọtụtụ ajụjụ nzaraonwe ezipụta abụ/egwu ha. Ha chọpụtakwara na ihe mere ha ji ewere okwu nka egosipụta abụ/egwu akwamozu ha bụ ka ndị ngere ya bụ egwu were nwee obi mwute. Nchọcha Sharndama na Suleiman (2013) a yiwere nchọcha a n'ihi na ha abụọ lebara anya n'abụ/egwu ọdịnala mana ndịmiche ha dịkwa n'ihi na Sharndama na Suleiman gbadoro nchọcha ha na iji atụmatụokwu

CC BY-NC-ND

(ajụjụ nzaraonwe ezipụta abụ/egwu akwamozu nke Kilba na steeti Adamawa ebe nchọcha nke a gbadoro ukwu n'iji mbụrụ egwu alụmalụ ọdinala Igbo enye ndi na-aba n'ogo alụmalụ ndụmuọdụ.

Nwizu (2021) mere nchọcha na ndịna na aka nka abụ akwamozu na Steeti Anambara na Imo. Mbunuche nchọcha ya bu ịchọpụta ọdịdị na ndịna abụ akwamozu, ịchọpụta aka nka asụsụ, nnyemaka asụsụ nakwa mpụtara nnyemaka asụsụ. Ufodu ihe ndị ọ chọpụtara dị ka o sị metụta ndịna bu na abụ akwamozu nwere ndịna dị ka ọnwụ, iwe, nkasi obi, ndụmọdụ, na ndị ọzọ. Motif bụkwa ihe ọzọ pụtara ihe na ndịna akwamozu. Motif ndị a bụ ikpe, otito, na ndụmọdụ. Dị ka o si metụta asụsụ, ọ chọpụtara na abụ akwamozu na-enwe mbụrụ, mmemmadụ, ajụjụ nzaraonwe, ndịka/myiri nakwa nka asụsụ ndị ọzọ. Nchọcha a na nke Nwizu yitụrụ n'ụzo dị iche iche. Ha abụo jupụtara na ndụmuodụ,atụmatụ okwu, ilu na nnyemaka asụsụ ndị ọzọ. Ndịmiche dị na ha bụ isi okwu abụ akwamozu na-ekwu maka onwụ, iwe, nkasi obi, mgbagwuji, dgz ebe nchocha a na-ekwu maka egwu alụmalụ nke jupụtara na ndụmuodụ na egwu ntọọchị ma nwekwaa ike ịkpali mmụo.

**Ntụleghari̇ Agụmagụ**

Mgbe a na-eme ntụcha agụmagụ n'amụmamụ asụsụ site na mbụrụ nke metụtara egwu, ọtụtụ ndị nchọcha dịka Bonds (1991), Zbikowski (2002; 2008; 2009) and Spitzer (2004; 2008) n'ime Igwebuike (2017) kwesịrị ilebara anya. Nke a bụ maka na ha ekwuola ọtụtụ okwu n'ebe o metụtara iji mbụrụ wepụta nkuzi na ozi agụmagụ na-ewepụta n'izugbe. Ha kwuru na mbụrụ bụ agụmagụ ebe agumagụ bụkwa mbụrụ. Nke a bụ iji gosi na ha abụọ bụ nwanne abuọ yi otu ụdị akwa.

Ọtụtụ ndị odee agbaala ọtụtụ mbọ n'ebe o metụtara egwu ọdịnala. Mgbe ụfọdụ ha hụtara egwu ọdịnala ka ụzọ e nwere ike isi were zisaa ozi, ndị ọzọ hụtara ya ka ihe e ji agwọ ọrịa, ihe e ji ekpori ndụ, ihe e ji akwali akụ, ihe mkparịta ụka, ụzọ e si akụzi ihe, ụzọ ndụmọdụ ma ọ bụ ịdọ aka na ntị. Ihe e ji egwu eme karịrị akarị n'ihi na ha nwere ike dị egwu n'ebe obibi ndụ mmadụ dị. Egwu nwere ike ịkpali mmụọ ma ọ bụ butuo mmụọ mmadụ maka ime ma o bụ ịkwụsị ihe ndị ọ narala eme nke bụ ihe ọjọọ ma o bụ ihe ọma. Egwu nwere ike ịkpalị mmụọ ofufe, nganga, agbamume, akwamiko, ndozi ma ọ bụ ndosa. Egwu bụ ụzọ mgbasa ozi nke na-eme ka ozi a na-ezi ruo onye ọ bụla ntị n'oge adịghị anya. Obi (2016), kowara na egwu bụ ụzọ a na-esi were agbasara ọha obodo ozi n'ala Igbo. Nke a ka o mere site n'ịchịkọta akwụkwọ eegwu ikpe dịgasị iche iche were kuzie ụzọ kacha mma isi mee nke a. Ọ chọputara na e nwere ike isite n'egwu ọgụgụ were zie ọhanaeze ozi dị mkpa. Ezebụilo (2018), kwuru na egwu ọdịnala dịka ejije ọdinala Igbo. O ji egwu amara a na-agba ebe dị iche iche were tụnyere ma kwalite mmekọrịta dị n'etiti Ezenwaanyị mmiri na ndị obodo. Dịka o siri kọwaa, ha na-eme nke a iji bute ike site n'osimiri. Ebe ọ bụ na egwu nwere nnukwu ike dị etu a ebe mmadụ nọ, nke a gosiri na e nwere ike isite n'egwu alụmalụ were kuzie ma ọ bụ gbaziere ndị na-aba n'ọkwa di na nwunye ụzọ ha ga-esi were gbochie esemokwu ma nwee ghọta zuru oke n'ime ha.

Ọkanụmee,Waya na Nwankwọ (2018), mere nchọcha nke ha banyere ntụnyere mmemme alụmalụ n'etiti ndị Tiv na ndị Igbo. Ha gbasoro usoro nkọwa were mee nchọcha ha ma chọpụta na a bịa n'ebe o metụtara alụmalụ na mba abụọ ndị a, na mmemme akwụmụgwọ isi nwaanyị anaghị ebi ebi. Ha chọpụtara na n'ala Igbo na Tiv, akwụmụgwọ isi nwaanyị anaghị enwe njedebe na obodo ndị a were ruo n'ọnwụ. Ihe nke a pụtazịrị bụ na ndị Igbo na ogbo ha ndị Tiv nwere mmasị na mmekọrịta pụrụ iche n'alụmalụ. Ebe o si etu a dị, egwu alụmalụ ga-arụkwa ọrụ pụrụ iche n'etiti ndị ahụ na-aba n'ogo alụmalụ ma n'ala Igbo, ma n'ala ndị ọzọ omenala ha na ndị Igbo yiri. Ezinaụlọ ọ bụla chọrọ egwu ga na-enye aka akpalite mmụọ aṅụrị, udo na ịdị n'otu.

Nnebedum (2019:1), gosiri na egwu na-enye nne, nwa na ndị di ndụmọdụ banyere ezinaụlọ ha.Oge a mụrụ nwa ọhụrụ n'ezinaụlọ, ọ bụ egwu ka ndị Igbo ji akọwara ndị mmadụ tụmadị ndị mụrụ nwa mbụ na ihe niile gbasara ha ga-eweghara ọnọdụ ọhụrụ. Egwu alụmalụ bụkwa nke a na-eji ezipụta ndụ na nkwenye ndị Igbo ebe o metụtara ịlụ di na nwunye, n'agbanyeghi na egwu ndị a maara nsogbu juputara n'ezinaulo anyị gburugburu taa. Ọzọkwa egwu ndị a na-esite na nkà asụsụ mejupụtara ha wee zie ozi dị mkpa ma ghara iweta nghọtahie na mmekọrịta n'etiti di na

nwunye.

**Atụtụ nchọcha**

**Atụtụ Echiche ihe atụ mbụrụ nke Charteris-Black (2004)**

Atụtụ a hụtara uru na ntụnye egwu nwere ike iweta na ndụ mmadụ. Mbụrụ bụ otu ụzo e nwere ike iji si n'egwu were bunye mmadụ echiche,akọ na uche. Ihe nke a na-akọwa bụ na ebe ọ bụ na egwu na-apụta ihe n'ihe niile ndị Igbo na-eme dịka mgbe ha na-eru ụjụ na mgbe ha na-enwe anụrị, ọ na-enye aka agbazi ọnọdụ echiche obi mmadụ na-anọ kwa mgbe kwa mgbe. N'aka nke ọzọ, atụtụ a siri ka e were ihe na-anọchite anya ihe (ọdịmara) dịka ihe ahụ n'onwe ya. Na nkọwa, ọdịmara ihe bụ ihe ahụ n'onwe ya mana, na senchụri nke iri na itolu (19th century), ọgụnụụbụrụ aha ya bụ Gottlob Frege gbaghara nkọwa a ma kwuo na ọ bụ ihe ihe na-arụ ka ekwesịrị iji mara ihe ya. Iji maa atụ, ekwentị kwesiri ka ọ na-akụ ekwe na ntị ebe ọgbatumtum kwesịrị ka ọ na-agba tumtum.

A bia n'ala Igbo, omenala , ọdịnala na ọdịbendị ha abụghị naanị na o jupụtara na nka egwu, kama ọ bụ alaka dị ezigbo mkpa nke mejupụtara ndụ onye Igbo ọ bụla. Akụkọ ala, akụkọ ifo, akụkọ odogwu na akụkọ okike bụ nke egwu mejupụtara. Ejije mmanwụ, ejije mgba, ejije agha, nke ụmụaka nakwa nke ofufe na nke aja bụcha ụdị egwu dịgasị iche iche mejupụtara ha.

**Usoro Ntụcha Njantule**

Dịka e kwurula na mbụ na egwu bụ ndu, egwu nwere ikikere ikpali ma ọ bụ kutue mmụọ ma ọ bụ echiche mmadụ banyere ihe onye ahụ na-eche n'obi ya, tumadi mgbe egwu ahụ bidoro kụwa. Iji maa atụ, mmadụ nwere ike ịnọ n'ọnọdụ obi mwute site n'ihe mgbawa obi nke dakwasara ya, e nwere ike, ebido kụpụtawa egwu ofufe ma o bu egwu nkasi obi n'igwe okwu redio dị onye ahụ nso, ọ bụrụ na onye ahụ etinye uche ịmata ihe egwu ahụ na-agụ, onye ahụ ga-enwe ntụgharị mmụọ nke ọnọdụ obi ya. Nke a ga-eme ka obi onye ahụ nke pụọlarii loghachite. N'ihi ihe nke a, nchọcha a sitere na njantule (egwu) ndị a họrọtara ebe e nere alụmalụ were wepụta nkuzi, nghọta na echiche dịgasị iche iche.

Egwu nke mbụ nwere uneri 5, nke abụọ dị uneri 20, nke atọ nwere uneri 10, nke anọ nwee uneri 8 ebe nke ikpe azụ bụ nke ise nwere uneri 6. E nyegasịrị egwu ndị a akara ngụọnụ 123…maka iji mee ka ọ di mfe ịghọta uneri nke a na-ekwu maka ya. A sị ka e detube egwu ndị a ma ọ bụ gụba ha agụ, a gaghị etinye akara ndị ahụ na ya. Naanị ihe e jiri tinye akara bụ maka nkọwa dị mfe.

Na nchọcha a, e sitere na njantule e nwetara n'ama were wepụta isiokwu ise dị nnukwu mkpa. E sikwa n'isiokwu ndị ahụ were wepụta ozi, echiche na nkuzi ndị ahụ ga-enye aka weta udo n'obodo. N'ihi oge, e ji naanị egwu alụmalụ ise were tụchaa njantule e wetara n'obodo Nimo dị n'Anambara. O kwesịrị ka a mata na ọ bụ olundị Nimo ka e ji detuo egwu ndị a. Ọ pụtaghị na ọ bụ naanị egwu ndị a ka e nwere kama, ọ bụ egwu ndị ahụ a hụtara ozi dị mkpa n'ime ha ka a hoọrọ.

**Ntụcha Njantule**

Iji zipụta etu a ga-esi site n'egwu alụmalụ ọdịnala Igbo were weta udo, ịdịnaotu, ọganiihu, ihụnanya na nghọta pụrụ iche n'etiti ndị di na ndị nwunye maka mmepe obodo, e ji mbụrụ isiokwu nghọta, nnabata omenala, nhube isi, ịhụnaanya na nke ihe nnweta were tụchaa njantule.N'ime etu a, akọwara ha dịka ọrụ na mmetụta ha n'ebe ezinaụlọ na mmepe obodo dị.

**Mbụrụ Isiokwu Nghọta**

Alụmalụ a na-akọwa ebe a bụ alụmalụ dị n'etiti otu nwoke na otu nwaanyị nke ha jiri aka ha kwekọrịta na ha ga-ebi. Ndị Igbo tụrụ ilu sị na ụka a kpara akpa bụ isi ka e ji ekwe ya. Ihe nke a pụtara bụ na mgbe nwoke na nwaanyị kpara nkata, kwekọrịta ịbụ di na nwunye, nnukwu ihe dị mkpa n'etiti ha ga-abụ nghọta. Nke bụ eziokwu bụ na ịhụnaanya dị mkpa n'alụmalụ ma n'omenala nakwa nkwenye ndị Igbo, ọ bụghị ya bụ isi. E lee anya, a ga-ahụ na ụdịdị alụmalụ ndị Igbo na-agbasokarị bụ alụmalụ nhụta. Nke a bụ mgbe nwoke chọrọ ịlụ nwaanyi zisara ozi ka a chọbara ya nwaanyị. A na-achọta nwaanyị tupu mmadụ abụọ ndị ahụ ekwekọrịta were jirizie nwanyọọ wube mmụọ ịhụnaanya (Anedo na Anedo 2020:4). N' abụ nke atọ, uneri nke 5-10, a ga-ahụta ozi na ndụmaọdụ abụ a na-enye ndị na-aba n'ogo di na nwunye banyeere mkpa ọ dị na ha ga-aghọta onwe ha. Ezinaụlọ nghọta adịghị, udọ na ịhụnaanya anaghị adị ebe ahụ. Ndị Igbo bụ ndị ghọtara na alụmalụ bụ mmụọ, ọ na-eku ume ma chọkwaa nri nke nghọta iji diri ndụ. Nke a mere ndị Igbo jiri site na mgbe ọkpụ were egwu

CC BY-NC-ND

alụmalụ nke ọdịnala were dụọ ndị ahụ na-aba n'ogo a dị nsọ ka ha nwee nghọta n'etiti onwe ha. E lee anya na uneri abụ nke 5, e bu ụzọ dụọ nke nwaanyị ọdụ nhube isi tupu a gwaba ya maka nghọta.
Ọ sị;

5. ọ sị gi kwụrụ ụụụụụ
6. marakwa na ị ga-akwụrụ
7. ọ sị gi gawaaaa
8. marakwa na ị ga-agaaawa.
9. nwanne anyị nwaanyi
10. biko werekwanụ otu obi na-ebi n'ụnọ x 2

Onye ọ bụla maara uru alụmalụ bara ma na nghọta dị mpka. N'ala Igbo, ụmụnwoke anaghị eji ịkwanyere ha ugwu egwu egwu. Nke a mere ha ji were uneri abụ 5,6,7 na 8 were kwuo maka nhube isi nke nwere ike ipụta ihe site naanị na nghọta. Eleghị anya, ọ bụ nke mere o jiri bụrụ na nwoke wee iwe, o jiri nke bi ahịrị dị ka, 'nwaanyị m ji ego m lụta…' were kọwaa ụdịdị okwu ma ọ bụ ihe nwunye ya mere ya. N'ala Igbo, nwoke kwugide okwu were jiri nkebi ahịrị a malite okwu, mara na nsogbu dị.
Ọzọ dị ka ibe ya bu, ọ bụghị naanị nwaanyị na di ya chọrọ nghọta ka alụmalụ ma ọ bụ ezinaụlọ were gaa n'ihu, nne nke nwoke chọkwara ya. Nwa mbụ ejeghi ije, nke abụọ anaghị agba ọsọ n'ihi ya, nwaanyị banyere na di nwere ike gbanahụ ajọ mmadụ (di) ma gbakwuru ajọ mmụọ (nne di). (Kitson (1992) na Levinger (1966) n'ime Anaedo (2020), Ha kwuru na ụfọdụ ndị nne di bụ a tụọ ma amụghị esemuokwu di na nwunye nke ụbọchị taa. Na nkọwa ha, ọ na-aka njọ mgbe ọ bụ nwoke ahụ bụ tụtụrụ rachaa nne ya. Mgbe ahụ, nne ya abụrụzie ibu anyị danda ebe nwa ya nwoke nọ. Ọ bụ nke a mere na o kwesịrị na onye ọ bụla ga-amara ogu nye onwe ya iji mee ka nghọta dị n'ezinaụlọ tụmadị ndị na-ebido ọhụrụ. Iji gbochie nke a, e sitere n'egwu alụmalụ nke abụọ were dọọ ndị nne di aka na tị ka ha mata na ha na nwunye nwa ha abịaghị ịma aka onye ka ibe ya. Lee ka e si kwuo ya:

13. ọ bụrọkwa na ọ mara mma
14. eeeeeeeeeeeeeeee
15. nwata ka ọ ka bụkwa
16. eeeeeeeeeeeeeeee
17. ọ bụrọkwa na ọ mụrụ nwa
18. eeeeeeeeeeeeeeeeeeee
19. nwata ka ọ ka bụkwa
20. eeeeeeeeeeeeeeee

**Mbụrụ Nnabata Omenala, Ọdịnala na Ọdịbendị**

Omenala bụ ụzọ agburu ọ bụla wepụtara ha ga-esi na-ebi ndụ. Omenala ndị Igbo gụnyere nri, asụsụ, ekike, usoro okpukperechi, usoro alụmalu na usoro ọmụmụ nwa tinyere usoro akwamozu nakwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Nke a mere na a bịa a n'ala Igbo tụmadị n'akụkụ Anambara, ha nwere ọtụtụ usoro omenala wepụtara e si abagide alụmalụ, usoro ndị ahụ gụnyere; Ihụta nwaanyi, ijụ ajụjụ/ịjụ ase, inwe onye akaebe, ịkụ aka n'ụzọ, ibu nkwụ ajụjụ nke mbụ na nke abụọ, ime ego mbibi ọnụ okwu, ime ego, iselata ite mmanya, idu ndu oku, igbu ewu nna, ime ọgọ bịa mara be m nakwa, ịgba nkwụ nwaanyị. Ndị ọzọ bụzị ndị na-esochi ọmụmụ nwa ọhụrụ. Mgbe a na-agbazị nkwụ nwaanyị ka ụmụ agbọghọbịa ndị a bịara ịlụ nnwanne ha na-esite n'egwu ọdịnala ha na-agụ, akụ nakwa agba nke a kpọrọ otu ụmụ agbọghọbịa ma ọ bụ ndị *ịgba raịsị* (n'ụdị ịkọ ha ọnụ n'ihi oke nsogbu ha na-enye) na-esite n'egwu ha were na-adụ nwanne ha nwaanyị, di ya na nne di ya ọdụ.

Ha na-ahụta ya n'ụdị na a bịara ịnaghara ha nwanne ha nwaanyị. N'ala ala obi ha, ha matara na ọ bụ ihe omenala kwadoro mana, ha aghaghị igosi iwe ha. Obi anaghị adịcha ha mma nke ga-emezi ka ha na-esi ọnwụ iji gosi ndị ọgọ ha na ha anaghị arịọ ha biko ka ha lụba nwanne ha. Mgbe nke a mere, ọtụtụ mgbe, ụfọdụ n'ime ha na-emekarịzị etu a tụrụ anya nke ga-emezị ka a kpọwa ha "ndị Igba raịsị'. Mgbe a kpọrọ ha aha akọmọnụ a, ha na-ewe iwe nke ukwu wee bido gosipụtaba na ọ bụ n'ihi omenala mere ha ji si be nna ha apụ soro nwoke laba na be ya. Ha ji egwu a dị n'ala ezipụta nke a:

1. N'ihi omenana ka nna ji kerie nwa ya.
2. N'ihi omenana ka nna ji kerie mụ ooo.
3. A sị na m bụ nwoke ee
4. nna agaghị emetụ m aka.
5. Ma ebe mụ bụ nwaanyị
6. abụ m onye ijeee

E wezuga omenala, ọtụtụ ụmụ nwaanyị ga-ahara ịnọ na be nna bie ndụ ha niile n'ihi ọnọ ụfọdụ na-ezute onwe ya ebe ha jere ijee di. Ihe ụfọdụ ụmụ

CC BY-NC-ND

nwaanyị na-ahụ be di ya mere otuy onye egwu a ma ama aha ya bụ Gọdị Ezike jiri gụọ n'egwu sị na;

Enụ ụwa bụ ọgwụ ooo,
Ogwu dụ mmadụ ọ laa azụ ụụ.
Enu ụwa bụ ogwu oooo,
Ogwu dụ mmadụ ọ laa azụ.
Nwata kwudo uke be di ya,
Ọ dị ka o nweghị agba be nne ya.
Nwata kwudo uke be di ya,
Ọ dị ka o nweghị agba be nne ya.

**Mbụrụ Nhube Isi**

Ezigbo nwa agbọghọ Igbo ọ bụla ga-enweriri agwa nhube isi na umeala n'ihi na ọ bụ ya bụ ihe mbụ a na-elegara anya na ndụ nwaanyị. Nke a bụ maka na ndị Igbo kwenyere na nwaanyị na-anọ n'okpuru nwoke. Ha kwenyekwara na nhube isi dị ezigbo mkpa maka mwube ezigbo ezinalụlọ ij weta ezi mmepe n'obodo. N'ala Igbo, o nwere ụdị agwa nwata nwaanyị ga-akpa, a jụọ ya ma ọ ga-abakwa be nwoke. Mgbe a na-eme nke a, ọ bụ iji kụziere onye dị etu a uru nhube isi bara. Mgbe akwụkwọ nsọ kwuru na 1 Sam 15: 22 … nhube isi ka mma karịa ịchụ aja.., ọ dị ka ọ bụ omenala ndị Igbo ka ọ hụrụ were kwuo ya. Iji gosipụta nke a site n'egwu nke ise (5) a chọpụtara na ọ bụrụgodụ na nwata nwaanyị enweghị mmasị ịlụ dị, mana omenala Igbo kwuru an ọ ga-alụ dị, nwaanyị dị etu a enweghị ọnụ okwu ọzọ banyere atụmatụ a karịa ihube isi na ime ihe omenala kwuru. (egwu nke 5 uneri nke 5-6) Ma ebe mụ bụ nwaanyi, abụ m onye ijeee (nzipụta mwute). Asịkwaarịị na o wutere ya, ọ ka hubekwara omenala isi ma mee ihe o kwuru.

Ọzọ, n'egwu alụmalụ nke atọ, a hụtakwara ozi, echiche na nkuzi nhuzbe isi na ya. A jụghị nwaanyị ihe bụ ma ọ bụ ga-abụ echiche ya. Naanị ihe a na-agwa ya bụ mkpa ọ dị na ọ ga-ehubere di ya isi n'ihi na ọ bụ ihe omenala kụziri. Ọ bụ mgbe nwaanyị debechara iwu a ka ọ ga-ejizi kwuo obi ya ma ọ bụrụkwa na e nye ya ikike. Ndị be anyị, asị m ka m jụọ, ọ bụ omenala Igbo ka ndị Ọcha hụrụ nwere dee akwụkwọ nsọ? Ma ọ bụghị ya, ngwa gwazie m ihe dị iche na B ukwu na ọkpa ehi. Lekwa ka ha sị gụpụta ya;

1. Nwanne anyị nwaanyi
2. ị naluo na be di gị x 2
3. hube isi be di gị
4. gbado anya be di gị
5. ọ sị gị kwụrụ ụụụụụ
6. malụkwa na ị ga-akwụrụ
7. ọ sị gi gawaaaa
8. marakwa na ị ga-agawa

Ndị Igbo ma nke ọma na ọgwụ kachasị ọgwụ nwaanyị ga-agwọrọ di ya bụ ọgwụ ịhụnaanya, naanị otu ihe bụkwanụ ngwa e ji agwọ ya bụ ọgwụ. Ihe ahụ bụ nhube isi. A bịa n'ọtụtụ ezinaụlọ taa, ọtụtụ ụmụ nwaanyị anaghị ajụ ndị di ha echiche obi ha banyere ihe ha chọrọ ime tụmadị ụmụ nwaanyị ndị ahụ ejighị omenala alụmalụ kpọrọ ihe. Ha kwenyere na naanị ihe dị mkpa bụ ihe ahụ ndị pastọz ha kuziri (ma nke dị njọ ma nke dị mma). Ọtụtụ chere na di na nwunye jedebere na 'ee ekwere m'. Ha amaghị na ihe okenye (omenala) nọ n'ala hụ, ha bụ nwata (ndị agba ọhụrụ) rịgoro elu ọjị, ha agaghị ahụ ya.

**Mbụrụ Ihụnaanya**

Ebe ịhụnaanya dị, ebe ahụ ka udo na-adị. N'agbanyeghị na ndị Igbo agụnyeghị ịhụnaanya ka ihe mbụ dị mkpa n'alụmalụ, ha ekwughịkwa na ọ dịghị mkpa n'ihi na ọ na-eweta udo. Iji kwadoo nke a, egwu alụmalụ nke 3, uneri nke 10 sị; 'Biko werekwanụ otu obi na-ebi n'ụnọ'. Nke a pụtara na ọ bụ naanị mgbe ịhụnaanya dị ka a na-eji otu obi ebi n'ihi na ndị ahụghị onwe ha n'anya agaghị enwe ike iji otu obi were biri n'ụlọ.

Akwụkwọ nsọ gwara ndị na-eso ụzọ nke Kraịst ka ha hụ ndị nwunye ha n'anya mana, tupu akwụkwọ nsọ abịa n'ala Igbo, ndị Igbo ejirila egwu alụmalụ ọdịnala Igbo ha nwere wee kụziere ụmu nwoke mkpa ọ dị ịhụ ndị nwunye ha n'anya. O jedebeghị na ya, omenala gwara nwoke ọ bụla agaghị ahụ nwunye ya n'anya kpọlagara nwaanyị ahụ nne mụrụ ya. Lee etu o siri kwuo ya na egwu nke mbụ;

1. Ọgọ anyị nwoke, ị chọrọ ịnụ nwanne anyị? x 2
2. Ọ bụrụ na ị ga-anụụụụụụ
3. Nụkwaa ya ke e si anụụụụụ
4. Ma ọ bụrụ na ị ga-anụ ya nke arịrị
5. Kponatara ya nne mụrụ ya

**Mbụrụ Ihe Nnweta (akụ na ụba)**

Otu n'ime ihe kpatara ọtụtụ ezinaụlọ jiri nọrọ na nsogbu taa bụ di na nwunye ịsịrị onwe ha asị. N'ihi oke mmepe anya, oke agụmakwụkwọ nakwa oke ọchịchọ juru ụwa taa, ọtụtụ ndị mmadụ na-abịa na-asịrị onwe ha asị ma chee na ọ bụ awamanya. N'ụwa taa, ndị ntorobịa kwenyere na naanị ihe dị mkpa n'alụmalụ bụ ihụnanya mana nke a bụ ezigbo asị. Ihe mbụ dị mkpa n'alụmalụ bụ ihe nnweta. Nke a bụ otu n'ime ihe ndị Igbo ji ajụ ajụjụ tupu ha ekwekọrịta ịba n'ogo alụmalụ. Ihe nnweta a metụtara ma nwoke ma nwaanyị.

N'ala Igbo, ndị nwe nwata nwaanyị na-aga jụọ ajụjụ ma ndị be nke nwoke enwekwara ala ebe a ga-akọ nrị. Ole ka nkwụ na ụkwa ha dị? Ha bụ ndị ngana ka agbụrụ ha ọ na-enyewukwa nwaanyị nri, ala ha ọ na-emekwa nri ka ọ bụ aja igwugwu? Ihe niile ndị a bụ nke a na-esite n'aka onye akaebe were jụpụta site na ndị ezinaụlọ nwe nwaanyị a bịara ịlụ N'otu aka ahụkwa, ndịbe nke nwoke na-agakwa jụọ ajụjụ nke ha nke gụnyere; ndị be nwaanyị anyị chọrọ ịlụ ha na-amụkwa ụbara ụmụ? Ha na-amụkwa nwoke na nwaanyị ka ha bụ agbụrụ nwaanyị nwaanyị? Ha na-etokwa eto? Kedụ ka ha na-adị ma ha tụọ ime mbụ? Ha nwere ahụ pokopoko ka bụ ndị erị agọ (erichaa, ọ gaghị apụta n'ahụ)?

Ọ bụzị ajụjụ ndị a dị n'elu ga-ekwu ma nwoke na nwaanyị aga enye onwe ha ohere ịkụnye mkpụrụ ịhụnaanya n'ime onwe ha ka onye ọ bụla ọ ga-achọ ụzọ ya. N'ala Igbo, ịhunaanya anaghị eko n'ikuku etu ndị ụwa taa si eche kama, ịhụnaanya na-ehido n'ihe a hụrụ anya iji nwere mịa mkpụrụ na'ebe ọ batara. Iji kwaadoo nke a, ndị Igbo ji egwu ọdịnala alụmalu agwa nwoke na nwaanyị ihe onye ọ bụla chọrọ n'aka ibe ya. Lee ka nke si pụta ihe n'egwu a;

1. Brọọọda ọnwa itenaanị ka anyị nyere unu
2. anyị abịa ebe a bịa kuru nwa, ṅụwa mmiri ọkụ oo
3. Ada ihe ị ga na-eri eviridee ooo
4. Ada ooo ihe ga-eri evirideeeooo
5. Ada ihe ị ga-eri saladị akwa e ghere eghe
6. Ada ooo ihe ị ga na-eri eviridee oooo
7. Ada ụmụ ejima atọ eviri naịn montuzu
8. Brọọda ukwu akwa asatọ eviri montu ooo x2

N'egwu a, o gosiri na ndị Igbo maara uru na mkpa akụ na ụba (ihe enwe enwe na nwa) dị n'ezinaụlọ ọ bụla. Ha jiiri n'oge na-ama ọkwa mmiri maka ozuzo ya. Iji maa atụ, n'uneri egwu nke 1, ha kpọrọ nwoke bịara ịlụ nwaanyị 'brọda'. Ebe a, brọda a nwere mbụrụ dị egwu. O nwereike bụrụ (ọsọ gị mebe anya ụra, ọ gbasaghị anyị). Naanị ihe anyị nyere gị bụ ọnwa iteghete (9 months) anyị abịa ebe a bịa kuru nwa ṅụba mmiri ọkụ. N'akụkụ nke nwaanyị, n' uneri 7, ha jikwa mbụrụ gwa nke nwaanyị na, anaghị asị mba (anaghị ajụ nwoke nke ọzọ ajụ). Nke a dị omimi (onye aghọtaghị ya hapụba maka na, a tụọrọ ọmara, ọ mara).

Ha akwụsịghị ebe ahụ, ha matara na beta suya bụ n'ahụ nama were jiri n'oge mee ka nwoke na-aba n'ogo alụmalu mata na 'ọgọ bịa mata be m na ihe so'. N'ihi ya, ego dị nnukwu mkpa n'alụmalụ ọ bụla. Nke bụ ezi okwu bụ na etu amara Chukwu sịrị dị mkpa n'alụmalụ ka Ego sikwa dị nnukwu mkpa nke ya. Nke a bụ n'ihi na, Chukwu na-enye amara ime mmụọ mana ego na-enye amara anụahụ n'alumalụ. N'uneri nke 3-6 ha sị nke nwaanyị na ihe ọ ga na-eri bụ salaadị na akwa e ghere eghe. M jụọ, 'onye ejighi ego, ọ na-esi ofe Owere'?Azịza bụ Mba.Ego dị ezigbo mkpa n'alụmalụ.

**Mbụrụ nwanne di**

Na nchọcha na nchọpụta ndị odee a site n'ogo ha rutegoro n'alụmalụ gosiri na ebe a so n'otu ebe dị nnukwu mkpa ilebara anya ma a chọọ na udo tọrọ atọ ga-adị n'ezinaụlo. Ajụjụ ọnụ gosiri na ụzọ asatọ n'ime ụzọ alụmalụ iri ọ bụla e nwere esemokwu na ha bụ nke na-esite n'aka nne/ụmụnne nke nkwoke ma ọ bụ nke nwaanyị. Ọ hịara ahụ izeta esemokwu nnedi na nwunyenwa. Iji gosi nhịa ahụ a ka egwu ọdịnala a na-esote jiri kpọọ nne nke nwoke aha ugboro anọ (ahịa naanọ, izu naanọ) tupu ọ dọba ya aka na ntị. Onye sị na ihe niile dị n'akwụkwọ nsọ adịghị n'omenala Igbo? Ha niile dị ya. Lee ka egwu alụmalụ nke abụọ a siri zipụta ya:

CC BY-NC-ND

1. Nnedi ya eeeee x4
2. Nekwa nwata a kpọnyere gị
3. Eeeeeeee
4. Si ka unu neluo anya
5. Eeeeee
6. ọ bụrọkwa na o toru eto
7. Eeeeeeeeeeeee
8. nwata ka ọ ka bụkwa
9. eeeeeeeeeeeeeee
10. ọ bụrọkwa na ọ mara mma
11. eeeeeeeeeeeeeeee
12. nwata ka ọ ka bụkwa
13. eeeeeeeeeeeeeeee
14. ọ bụrọkwa na ọ mụrụ nwa
15. eeeeeeeeeeeeeeeeeeeee
16. nwata ka ọ ka bụkwa
17. eeeeeeeeeeeeeeee

**Nchịkọta na Mmechi**

Nchọcha tulere mkpa ọ dị isite na mbụrụ were wepụta nkuzi, echiche na ozi ndị ahụ zoro ezo n'ime egwu alụmalụ nke ọdịnala Igbo. A na-esite na ya adụ ndị na-aba n'ogo alụmalụ ndụmọdụ ma dọkwaa ha aka na ntị banyere ụtọ na ụfụ niile jupụtara ya.

A chọpụtara na ndị Igbo sitere na mgbe ọkpụ ha hụ nsogbu nwere ike isite n'alụmalụ adapụta. Ha sitere n'usoro alụmalụ ha were jiri egwu hazie ụzọ a ga-esi belata nsogbu ndị ahụ na-apụtaba. Iji nye aka gbuchie ọnọdọ ọojọọ a, ihe niile gbasara egwu a na-agụ na mmemme banyere alụmalụ nwere otu ihe ma ọ bụ abụọ ọ na-akọwa ma ọ bụ akụziri ndị nọ n'ogo ahụ.

A chọpụtakwara na egwu ndị a na-ebu ozi pụrụ iche nke na onye ọ bụla gere ya ma jiri ya mere ihe agaghị enwe ihe mkpọhie ụkwụ n'alụmlụ ya. Iji maa atụ, ndị Igbo chọpụtara na ekworo jọrọ njọ n'ebe mmadụ Chukwu kere nọ. Ha matara na mgbe ọ bụla ụmụ nwaanyị abụọ nọkọtara ọnụ, na ihe ga-esochi bụ ekworo. Nke a mere ha jiri were wepụta egwu ha na-agụrụ nne nwoke bịara ịlụ nwaanyị iji mee ka ọ mata na nwunye nwa ya abụghị ọgbọ ya kama na ọ bụ nwata ebe ya onwe ya bụ nne.

Na mmechi, ndị Igbo kwesịrị ịlaghachi azụ na mgbọrọgwụ ha. Ha kwesịrị ịmata na a na-etozu etozu tupu emebe ihe ọ bụla a na-eme eme n'ụwa. Alụmalụ di na nwunye ejedebeghị naanị n'ịkpata ego, hụ nwaanyị mara mma ma buru ụgbọ ala mara mma gaa lụọ ya. Alụmalụ chọrọ ndidi, ọ chọrọ nghọta, ọ chọrọ nnagide ma chọkwaa nrụsi ọrụ ike maka udo na mmepe obodo.

Anyị na-arịọọ ka ụmụ Igbo jiri ụtụtụ chọwa ewu ojii site n'iji egwu ọdinala Igbo nke jupụtara na mbụrụ nghọta, nnabata omenala, ọdinala, ọdibendi, nhube isi, ịhụnanya na ihe nnweta akụ na ụba wube alụmalụ ha. O bụrụ na ha mee nke a, udo ga-adị n'ezinụlọ, obodo ga-adịkwa mma.

**Edemsibịa**

Anedo,O.A. na Anedo, E. A. *Efeect of Divorce on Igbo Afrrican Children*. https://www.researchgate.net/publication/342788851 mburite na mgbete 19/03/2023.
Charteris-Black, J. (2004). *Corpus Approaches to Critical Metaphor Analysis.* New York: Palgrave Macmillan.
Ezebụilo, C.N. (2018). *Egwu Amala As An Igbo Traditional Drama*. Igbo Institution and Leadership. Nsukka: Barcode-Infinite Media LTD.
Ferris, J. (19950. *Music: The Art of Listening*. London: Brown & Benchmak.Good news Bible with Deuteronomical Books/apocrypha. Todays English Version.
Igwebuike, E. E. (2017).*Metaphor, Identity and Ideologies in Igbo Folk Music.* Muziki, 14:1, 62-77,DOI: 10.1080/18125980.2017.1322471.
Nnebedum,T.N (2019). *Abụ ọṅụ nwa n'agụmagụ ọnụ maka mgbochi alụkwaghị m nye ndị Igbo*.Nsukka Journal of the Hummaities.Vol. 27, N0. 2. PP1-14.
Nwadike, I.U. (2003).*Agụmagụ ọdịnala Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers.
Nwankwọ, S. N. (2023). Onye A gbarụ Ajụjụ Ọnụ. Afọ Iri Asaa na Asaa.
Nwizu, P.C. (2021) Ndina na Aka Nka abu akwamozu na Steeti Anambara na Imo. Nchocha

CC BY-NC-ND

Ph.D Mahadum Steeti Ebonyi Abakaliki.

Obasi, N.T. (2013) Simeotics and Asthetics in Ohafia Igbo War dance Drama. *Journal of Igbo Studies Assiocaition of Nigeria* 6(2), 46-54

Obi, C. (2016).*Poetry and Public Awereness In Demcratic Nigeria: A case of Igbo*.Odezuruigbo AnInternational Journal of Igbo, Africa and Asian Studies.Maiden Edition. Awka: Apple Books Press.

Okebalama, C.N. (2003). *Mkpọlite Agụmagụ Ọnụ Igbo*. Enugu: SNAAP Press.

Ọfọmata, C. E (2007).*Ndezu ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Ọgbalụ, C. (1981).*Ndụ ndị Igbo*. Onitsha: Univerty Publishers.

Ọkanụme, A. C., Waya, D.T. na Nwankwọ, C.I. (2018). *A Comparative Study of The Tiv and Igbo Marriage System*.Igbo Institution and Leadership. Nsukka:Centre for Igbo Studies.

Ọnwụekwe, A. I. (2005).*African Music Composition and Tonal Inflection of the indigenous words: The case of Igbo Language*. Ogirisi; An New Journal of African Studies.Awka: SODAPSAT

Ọnwụekwe, A.I, (2006).*Music and Cultural Expression in Nigeria: Historical and ContemporaryTrends*In N. Ojiakor &I. Ojiha (Eds). Reading In Nigeria Peoples Culture. Pp 80-98. Awka:MGIB Publishers.

Sharndama, E. & Suleiman, B.A. (2013) An Analysis of Figurative Langages in two selected Traditional Funeral Songs of the Kilba People in Adamawa State. Internaitonal Journal of English and Literaturem 4(4), 166-173

Spitzer, M. (2004).*Metaphor and Musical Thought*. Chicago: University of Chicago Press.

Spitzer, M. (2008).*A Metaphoric Model of Sonata Form Two Expositions by Mozart. In Communication in Eighteenth-century Music*, edited by D. Mirka and K. Agawu, 189–229. Cambridge: CambridgeUniversity Press.

Ụgbor, G.N. (2022).*Nkuzi Usoro Alụmalụ Ọdịnala Igbo n'Ụlọakwụkwọ Mahadum dịka NgwaIgbochi alụm Di na Nwunye n'ozu Tụmadị n'etiti Ndị Ntorobịa*. Ekwe Journal Nke Ndị Igbo Scholars Forum.Vol. 15, No.1. Onitsha:Legend Concept Printers.

Umezinwa, E. C. (2008). *Identity, Freedom and Logic in Igbo Music Genres: A Resonance of the Metaphysical Essence Undefended. (Towards a Philosophy of African Music).*A Ph.D thesis, Nnamdi Azikiwe University, Nigeria.

**MGBAKWỤNYERE**

**ỤFỌDỤ EGWU ALỤMALỤ ỌDỊNALA IGBO**

**Egwu nke mbụ (nke nwoke bịara lụrụ nwaanyị)**
1. Ọgọ anyị nwoke, ị chọrọ ịnụ nwanne anyị?
2. Ọgọ anyị nwoke, ị chọrọ ịnụ nwanne anyị?
3. Ọ bụrụ na ị ga-anụụụụụụ
4. Nụkwaa ya ke e si anụụụụụ
5. Ma ọ bụrụ na ị ga-anụ ya nke arịrị
6. Kpọnatara ya nne mụrụ ya aa.

**Egwu nkeAbụọ (Nke nne di ya/Nnedi)**
18. Nne di ya eeee
19. Nne di nne di ya eeeee
20. Nne di ya, eeeee
21. Nne Nne di nne di ya eeeee
22. Nekwa nwata a kpọnyere gị
23. Eeeeeeee
24. Si ka unu neluo anya
25. Eeeeee
26. Ọ bụrọkwa na o toru eto
27. Eeeeeeeeeeee
28. Nwata ka ọ ka bụkwa
29. Eeeeeeeeeeeeee
30. Ọ bụrọkwa na ọ mara mma
31. Eeeeeeeeeeeeeee
32. Nwata ka ọ ka bụkwa
33. Eeeeeeeeeeeeeee
34. Ọ bụrọkwa na ọ mụrụ nwa
35. Eeeeeeeeeeeeeeeeeeee
36. Nwata ka ọ ka bụkwa
37. Eeeeeeeeeeeeeee

**Egwu nke Atọ (Nke nwata nwaanyị lụrụ di)**
1. Nwanne anyị nwaanyi
2. Ị naluo na be di gị x 2
3. Hube isi be di gị
4. Gbado anya be di gị
5. Ọ sị gị kwụrụ ụụụụụ
6. Malụkwa na ị ga-akwụrụ
7. Ọ sị gi gawaaaa
8. Marụkwa na ị ga-agaaawa.
9. Nwanne anyị nwaanyi
10. Biko werekwanụ otu obi na-ebi n'ụnọ x 2

**Egwu nke Anọ (Nke di na nwunye)**
1. Brọọọda ọnwa itenaanị ka anyị nyere unu
2. Anyị abịa ebe a bịa kuru nwa, ṅụba mmiri ọkụ oo
3. Ada ihe ị ga na-eri evirideee ooo

CC BY-NC-ND

4. Ada ooo ihe ga-ari eviri deeeooo
5. Ada ihe ị ga-eri bu saladị na akwa e ghere eghe
6. Ada ooo ihe ị ga na-eri eviridee oooo
7. Ada ụmụ ejima atọ every naini monts
8. Brọọda ukwu akwa asatọ eviri montu ooo x2

**Egwu nke Ise (Nhube Isi Nke Omenala)**

a. N'ihi omenana ka nna ji kerie nwa ya
b. N'ihi omenana ka nna ji kerie mụ ooo
c. A sị na m bụ nwoke ee
d. Nna agaghị emetụ m aka
e. Ma ebe mụ bụ nwaanyi
f. Abụ m onye ijeee